# Ịnwe Ọrịa ịba ọcha n'anya B na D nke na-Adịghị Ala ala

## Gịnị bụ ọrịa ịba ọcha n’anya D?

Ọrịa ịba ọcha n'anya D bụ ọrịa imeju nke nje ọrịa ịba ọcha n'anya D na-akpata ụdị ọrịa ịba ọcha n'anya oke ọrịa ịba ọcha n’anya ana-arịakari . Naanị ndị nwegoro ọrịa ịba ọcha n’anya B na-adịghị ala ala, maọbụ ndị butere nje abụọ ahụ n’oge ha na ndị nwere ọrịa nwere mmekọrịta, nwere ike ibute ọrịa ịba ọcha n’anya D. Ana-eme atụmatụ na otu n’ime mmadụ iri abụọ bu ọrịa ịba ọcha n’anya B ga-ebutekwa ọrịa ịba ọcha n’anya D. Ana-ahụkarị ọrịa ịba ọcha n'anya D na Africa, Ebe ọwụwa anyanwụ nke Europe, N’etiti Ebe Ọwụwa Anyanwụ, Mongolia, Pakistan, India, Ebe Etiti Asia, na Ọdọ osimiri ndị

## Gịnị ga-eme ma ọbụrụ ma m bute ọrịa abụọ ahụ n’otu mgbe?

Ijikwa ọrịa ịba ọcha n’anya nke B na D ka ara ahụ karịa inwe naanị ọrịa ịba ọcha nke B. Ọ ga-achọkarị mgbanwe na etu esi elekọta ya na ọgwụgwọ, ya mere ọ jiri dị nnọ mkpa ịchọta onye aka ochie na-ahụ maka ọrịa imeju onye nke nwere ike ilebara ọrịa gị anya.

## Olee otu e nwere ike isi jịkwaa ọrịa abụọ ahụ n’otu mgbe?

Mgbe mmadụ butere ọrịa ịba n’anya B na D n’otu mgbe, ọrịa ịba ọcha n’anya D na-aghọ nje nke kachasịnụ na bụrụ isi ebe mmebi imeji nwere ike ị si abịa. Ọ na-emekarị ka ọrịa ịba ọcha n’anya nke B ghara idi ike wee butuo ogo ibu nje nke ọrịa ịba ọcha n’anya nke B (HBV DNA), ebe ogo ibu nje nke ọrịa ịba ọcha n’anya D gị (HDV RNA) nwere ike ịdị oke elu. Nlele ahụ e ji elebara etu ọrịa si aga anya na otu o si anata ọgwụgwọ nwere ike igunye:

- **HBV DNA na HDV RNA:** Nlele ahụ ndị a na-enyere aka ịghọta etu ọrịa ịba ọcha nke B na nke D siri dị ike n’ahụ gị. Dọkịta gị nwere ike iji nlele ahụ ndị a enyocha etu ahụ gị si anabata ọgwụgwọ.
- **Alanine Aminotransferase (ALT)  na Aspartate Aminotransferase (AST):** Nlele ọbara enzyme imeju ndị a nwere ike inye aka na ịghọta ma ị na-enwe mmebi imeju ugbu a.
- **Alpha-Fetoprotein (AFP), nlele imeju iji hụ ka ọbara si aga, nlele imeju iji mara ma enwere akpa ọnya (Fibroscan), nlele ahụ iji were anụ ahụ imeju maka nyocha:** Nlele ndị a nwere ike inye nghọta kacha dị mma na nke akọwara ọfụma gbasara etu ọnọdụ imeju dị ugbu a (nlachi ọnyá, mmebi umeji, kansa umeji)

## Olee otu e nwere ike ị si gwọọ ọrịa abụọ ahụ n’otu mgbe?

Ụlọ ọrụ na-ahụ maka Ọgwụ na mba Europe akwadola inye ndí óría ọgwụ ọhụrụ nke ọrịa ịba ọcha n'anya delta, nke a maara dị ka Hepcludex n’ime ọnwa Jụlaị 2020 Ana-atụ anya na ọ ga-amalite ịdị na mpaghara ụwa ndị ọzọ n'ime afọ 2023 nile. Tupu Hepcludex, pegylated interferon alpha bụ naanị ọgwụgwọ egosiri na-enye aka ibutu nje ọrịa ịba ọcha n’anya D na ụfọdụ ndị ọrịa. Ana-enyocha ọgwụgwọ ndị ọzọ dị iche iche maka ọgwụ ịba ọcha n'anya delta ugbu a. Jụọ dọkịta gị ma e enwere nnwale adịmire ọgwụ dị gị nso. Ọ bụ ezie na ọgwụgwọ na-egbu nje ana-eji maka ọrịa ịba ọcha n’anya B enweghị mmetụta ọbụla na ọrịa ịba ọcha n’anya D, ana-enyekarị ha tinyekwuo ọgwụ interferon iji nyere aka belata ọrịa ịba ọcha n’anya nke B.

HEPATITIS DELTA CONNECT
hepdconnect.org

Ụlọ ọrụ na-ahụ maka ịchọpụta Ọgwụgwọ Orịa ịbà ọcha n’anya B bụ ụlọ ọrụ mba nke na-abụghị maka uru na-eme nchọpụta na ime ka oha mara maka ọrịa ịba ọcha n’anya B. Ọ mepụtara Hepatitis Delta Connect dịka atụmatụ emebere n’afọ 2016 iji nye ozi na nkwado maka ndị ọrịa ịba ọcha n’anya D metụtara.

www.hepdconnect.org

# Aga m achọ ndọchị imeju?

Ndọchị imeju nwere ike ịbụ ihe e nwere ike ime maka ndị ọrịa nwere ọrịa abụọ ahụ n’otu mgbe nke mmebi imeju ha dị oke njọ. Ka imeju nwere ike ịgwọ onwe ya ka oge na-aga, ma ọbụrụ na ewepụrụ ihe kpatara mmebi imeju, anaghị emekarị nke a mgbe imeju ahụ mebiri ruo n’ogo nke agwọtaghị agwọta. Ndị ọria na ndị dọkịta ha nwere ike ikpa ma ọ ga okwe omume idenye aha ha na ndị aga edọchị imeju n'ọnọdụ ndị a.

Ụlọ ọrụ na-ahụ maka ịchọpụta Ọgwụgwọ Orịa ịbà ọ̀cha n’anya B bụ ụlọ ọrụ mba nke na-abụghị maka uru na-eme nchọputa na ime ka oha mara maka ọrịa ịba ọcha n’anya B. Ọ mepụtara Hepatitis Delta Connect dịka atụmatụ emebere n’afọ 2016 iji nye ozi na nkwado maka ndị ọrịa ịba ọcha n’anya D metụtara.

## E nwere ọgwụ mkpa akwụkwọ na ọgwụ na-edozi ahụ nwere ike enye aka?

Ọtụtụ ndị mmadụ na-enwe mmasị iji ọgwụ mkpa akwụkwọ maọbụ ọgwụ ndị na-edozi ahụ iji kwalite ikike ahụ ha nwere eji luso ọrịa ọgụ naime ka ahụike imeju ha dịkwuo mma. E nweghị iwu na achịkwa ngwaahịa ndị a maọbụ nchọpụta ndị ọka mmụta sayensi gosiri na ọgwụ mkpa akwụkwọ maọbụ ọgwụ na-edozi ahụ na-enye aka na nje ọrịa ịba ọcha n'anya B ma ọ bụ D. E nwere nchegbu na ụfọdụ ọgwụgwọ site na-eji mkpa akwụkwọ ma ọ bụ ọgwụ na-edozi ahụ nwere ike imetụta ọgwụgwọ ndị ọzọ, maọbụ mebie imeju gị. E nwere ọtụtụ ụlọ ọrụ na ndị mmadụ na-ekwe nkwa ụgha n'ịntanetị nakwa site na soshal midia banyere ngwaahịa ha. Ihe ndị ana-ekwu n'ịntanetị na okwu akaebe ndị ọrịa na-ekwu na Facebook bụ ugha, ọ nwere ike iduhie ndị mmadụ ịzụ ọgwụ mkpa akwụkwọ na ọgwụ na-edozi ahụ dị oke ọnụ.

## Olee otú m pụrụ isi bie ndụ dị mma dị ka onye na-arịa ọrịa ịba ọcha n'anya nke B na D na-adịghị ala ala?

Ọ dị mkpa ịhụ onye ọkachamara na ịgwọ ọrịa imeju maọbụ dọkịta bụ aka ochie mgbe nile iji leruo anya na ahụike imeju gị. *N'okpuru bụ ndepụta mkpebi ahụike iri anyị kachasịnụ nke ị nwere ike ịmalite taa!*

1. **Hazie ịga ịhụ dọkịta bụ ọkachamara n'ịgwọ ọrịa imeju gị** maọbụ dọkịta na-enye nlekọta ahụike nwere ọmụma ihe n'ịgwọ ndị nwere ọrịa imeju abụọ n'otu mgbe, ka enwe ike ilegide nje ahụ anya ka oge na-aga wee lelee ahụike imeju gị.
2. **Nweta ọgwụ mgbochi nke ọrịa ịba ọcha n'anya A** iji chebe onwe gị pụọ na nje ọzọ na-emetụta imeju.
3. **Zere ịṅụ mmanya na-aba n'anya na ise siga** ebe ọ bụ na ha abụọ nwere ike imebi imeju.
4. **Gwa onye na-enye gị nlekọta ahụike tupu ịmalite ịṅụ ọgwụ mkpa akwụkwọ ọbụla maọbụ ọgwụ ndozi ahụ vitamin** n'ihi na ụfọdụ n'ime ha nwere ike imetụta ọgwụ ndị dọkịta na-enye gị ma ọ bụ mebie imeju gị.
5. **Gakwuru onye enyere ikike ere ọgwụ na-enye gị ọgwụ banyere ọgwụ ọbụla nke ana-egote n'ụlọ ahịa ọgwụ** (ihe atụ acetaminophen, paracetamol) maọbụ ọgwụ dọkịta denyere gị na-abụghị nke ọrịa ịba ọcha n'anya B maọbụ D tupu ịṅụọ ha iji hụ na ọ dị mma maka imeju gị
6. **Zere ikuru uzuzu kemịkal** si na agba, ihe na-eme ka agba dị nro, gluu, ihe ndị eji ehicha ụlọ, ihe ndị na-ewepụ ihe eji ete mbọ, na kemikalụ ndị ọzọ nwere ike imebi imeju gị.
7. **Rie mkpụrụ osisi na-adị mma n'ahụ**, ọka, azụ na anụ na-enweghị abụba, n'ọtụtụ akwụkwọ nri. Karisịa "akwụkwọ nri cruciferous"- kabeeji,broccoli, kọlịflawa - egosila na ha na- enyere aka ichebe imeju pụọ na kemikal ndị dị na gburugburu ebe obibi.
8. **Zere ịrị akịrịkọ dị ndụ maọbụ nke ana-esighi nke ọma** (ihe atụ clams, mosel, oporo, scallops) n'ihe na ha nwere ike ibu nje bakterịa ana-akpọ *vibrio vulnificus*, nke pụrụ igbu imeju ma nwee ike ikpata ọtụtụ nsogbu.
9. **Lelee ma è nwere ihe ndị na-egosi na e nwere ebu** na mkpụrụ akị, n'ọka, ọka, ahuekere, sorghum, na ọka millet tupu i jiri ha mee ihe. Ebu nwere ike ịbụ ya na-akpata nsogbu ma ọbụrụ na echekwara nri n'ebe na eru mmiri ma emecheghi ya nke ọma. Ọ bụrụ na e nwere ebu, mgbe ahụ nri ahụ eburule bakterịa "aflatoxins" nke bụ ihe ama ama na-ebute ọrịa kansa imeju.
10. **Belata aka na nrugide gị** site na iri nri na-adị ahụ mma, na ịmega ahụ mgbe nile, na-enwekwa nnukwu ezumike.

*Imeju na ayọcha ihe ọ bụla ị na-eri, aṅụ, ekuru, maọbụ na-amịkọrọ site n'anụ ahụ. Yabụ, chebe imeju gị na ahụike gị!*

## Olee otu m nwere ike igbochi ikesara ndị ọzọ ọrịa ịba ọcha n'anya B na D?

Ọ bụrụ na ibu ọrịa ịba ọcha n'anya B na D, ị nwere ike ikesara ndị ọzọ nje ahụ site n'ọbara na mmiri si na mmekọahụ. Ekwesiri ilele ndị gị na ha na-enwe mmekọahụ na ndị ezinụlọ gị dị gị nso ahụ maka ọrịa ịba ọcha n'anya B. Ọ bụrụ na nlele ọbara ahụ gosiri na ha ebughi ya ma ha enweghị ihe na aluso ọrịa ọgụ, mgbe ahụ ha kwesiri ịnata usoro ọgwụ mgbochi ọrịa ịba ọcha n'anya B, nke nwere ike inye nchekwa ruo mgbe ebighi ebi medgide nje abụọ ahụ. Mgbe ibu ọrịa abụọ otu mgbe, ọ dị mkpa ka e kpuchie ọnyá niile ma zere ikekọrịta ihe ọ bụla dị nkọ dị ka agụba, brọsh ezé, agụbamkpịsị ụkwụ, ma ọ bụ ọla ntị. Ozi ọma dị na

ya bụ na ọrịa ịba ọcha n'anya B na D ABỤGHỊ ihe a na-ebute n'amaghị ama, ọ pụghịkwa ịgbasa site eze uzere, ụkwara, ịmakụ mmadụ, iso mmadụ rie nri, ma ọ bụ iri nri onye ọzọ nwere ọrịa ịba ọcha n'anya B na D siri.

..

Ụlọ ọrụ na-ahụ maka ịchọpụta Ọgwụgwọ Orịa ịbà ọ̀cha n’anya B bụ ụlọ ọrụ mba nke na-abụghị maka uru na-eme nchọputa na ime ka oha mara maka ọrịa ịba ọcha n’anya B. Ọ mepụtara Hepatitis Delta Connect dịka atụmatụ emebere n’afọ 2016 iji nye ozi na nkwado maka ndị ọrịa ịba ọcha n’anya D metụtara.

www.hepdconnect.org